# ÀKỤ̀ NKE IMEMMỤỌ

**Aisaia 59:1-14**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 368**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ka ihe JEHOVA tọ kwa gi utọ; Ọ gēnye kwa gi ihe nile obi-gi nāchọ" (Abù Ọma 37:4).**

### Geentị

Mgbe Aisaia Onyeamụma sịrị, "Welie olu-gi dika opi-ike," ọ naasị "Fua opi-ike" maọbụ "Kpọ òkù." Opiike ka eji akpọte ụmụmmadụ ka ha geentị. Ọ bụ ya ka eji akpọte ndịagha n'ụtụtụ nime ọgbọagha; ọ bụrụ na afụọ ya ọzọ, ọ naegosi na ndịiro nọ nso; afụọ kwa ya ọzọ ọ pụtara "menyua ọkù nile" n'ebe obibi ndịagha; anaafụ ya ọzọ n'ílì nke ndịagha nwụrụanwụ.

Gịnị mere Aisaia ji chọọ ịfụ "opi-ike"? Ihe banyere ndị Juu metụrụ ya n'arụ o wee chọọ igosi ha mmehie ha niile. Ha naegosi na ha bụ ihe ha náabụghị dịka ọtụtụ naeme n'ụbọchị taa. Ha naeme ihengosi nke anaahụanya, náenweghị ịdịnsọ nke mkpụrụobi. Ememe niile nke òfùfè ka ha naeso, ma obi ha jọgburu onwe ya.

### Ekpere na Ibuọnụ

Ha naekpeekpere kwa ụbọchị náebukwa ọnụ mgbe ụfọdụ. Ha chèrè na Chineke gaanụ olu ha n'ezie. Mgbe Jisọs nọ nime ụwa ụfọdụ mmadụ gbarụrụ iru ha mgbe ha naebuọnụ, wee dịka ndị nọ ná mwute. Jisọs kpọrọ ha ndị iruabụọ. Ọ sịrị na mgbe ọ bụla mmadụ naebu ọnụ ha aghaghị ịsa iru ha wee ghara igosi na ha naebuọnụ. Ọ bụ náánị Nna Nke Eluigwe matara mgbe OnyeKraist napụrụ onwe ya nri, wee nọ ogologo oge n'ekpere. Ọ dịghị onye ọ bụla kwesịrị ịma.

Mgbe Chineke boro mmadụ ibu ekpere banyere otù ihe, o kwesịrị ibuọnụ. Ụfọdụ mgbe ibu ekpere banyere onye ọrịa maọbụ onye chọrọ nzọpụta dị óké mkpà na onye ahụ apụghị ichè banyere nri. Ihe dị mkpà bụ iji obi niile mee ya n'ihi otuto Chineke ọ bụghị n'ihi ọjịjá mmadụ. Aisaia gwara ndị Juu sị: "Unu adigh ebu ọnu dika ta ime ka anuru olu-unu n'elu," "Ọ bu iruda isi-ya n'ala dika ami, na igbasa ákwà-nkpe na ntu n'okpuru Ya" Aisaia sịrị na ezi òfùfè bụ inyere ndị bu ibu arọ aka, inye ndị agụụ naagụ nri, inyere ndị ogbenye aka, iyibe ndị gbaọtọ uwe na igosi ebere na obi ọma. Ọ sịrị nke a dị mkpà karịa iwere óké olu náekpe ọtụtụ ekpere.

Otù onye pụrụ ịbịakwute gị nke chọrọ karịa ihe oriri, ọ chọkwara ịmara Oziọma, Gwa ya banyere Onyenwe anyị, kpọọ ya bịa nzukọ, nye ya akwụkwọnsọ, maọbụ akwụkwọ mgbasa Oziọma, kpe kwara ya ekpere. Mgbe ahụ ka Onyenwe anyị gaamata na ị náetinye okpukpé-gị n'ọlụ. Mgbe ahụ ọ bụrụ na ị kpọọ Ya Ọ gaaza sị "Lekwam."

### Eziokwu maọbụ Iruabụọ

Onye amụma ahụ sịrị na ọ bụrụ na ha egosi ebere na obiọma, nwe kwa ọmiko n'arụ ndị ogbenye, obi gaatọ Chineke ụtọ n'ebe ha nọ, ọ bụrụ kwa na ha akpọkue Ya, Ọ gaasị "Lekwam." Chineke naanụ ekpere nke sitere n'ezi obi nke onye chọrọ enyemaka nwe kwara okwukwe na Chineke.

Ka anyị marakwa na Chineke mara ma obi anyị o ziriezi maọbụ é-è. Mgbe anyị naagwa Chineke okwu, anyị apụghị ikwu otù ihe mgbe anyị bu ihe ọzọ n'obi. Mgbe ụfọdụ mmadụ na eduhie ndịọzọ --- ụmụokoro na agbọghọ pụrụ ịghọgbu onyenkuzi Ụlọakwụkwọ Ụbọchịụkọ ha maọbụ mee ka ndị mụrụ ha "leghara ihe ụfọdụ anya," maọbụ ghọgbue onyeozi. Ma cheta, "Chineke abugh onye anēleli."

### Mkwụghachị Nke Eziokwu

Lee otú o si dị ebube ịkpá nso Onyenwe anyị nwe kwa obi ghereoghe nye Ya! Mgbe ahụ ọ bụrụ na mmadụ egbue ikpere wee kpeeekpere, Onyenwe anyị naasị "Lekwam." Anyị gụrụ na Jọn 15:7, sị, "Ọ buru na unu nānọgide nimem, ọ buru kwa na okwum nānọgide nime unu, rịọnu ihe ọ bula unu nāchọ agēme-kwa-ra unu ya."

Udo dị ukwu naejupụta obi nke onye náakpa nso Onyenwe anyị! Aisaia ji ndụ dị otú a tụnyere ubi nke anaagba mmiri, ya na isiiyi mmiri nke náadịghị ataata. Onye dere Abù Ọma sịrị na onye ahụ “gādi kwa ka osisi akuworo n’akuku iyi juputaraa na miri, nke nāmi nkpuru-ya na mgbe-ya, ọzọ akwukwọ-ya adigh-akpọnwu; ihe ọ bula kwa nke ọ nēme, ọ nēme ka ọ ga nke-ọma” (Abù Ọma 1:3). Ị̀ pụrụ iji anya imemmụọ hụ otù ubi dị n’ọwụwaanyanwụ nke jupụtara n’okokoosisi náesi ísìụtọ, nke dị n’akụkụ ọdọmmiri, isiiyi mmiri náasụpụta kwa, ụmụ nnụnụ náabụ̀abụ̀, okporo ụzọ dị kwa ijeru ya, udo nke igwe dị n’ebe ahụ!

**Ụbọchị Onyenwe anyị**

Otù ndụmọdụ ọzọ enyere n’iheọ̀mụ̀mụ̀ a bụ idebe Ụbọchị Izuike nsọ. Otù nime Iwu Iri enyere Ụmụ Israel ọtụtụ arọ garaaga tutu oge Aisaia bụ: “Cheta ubọchi-izuike, ido ya nsọ” (Ọpupu 20:8). Ụbọchị mbụ n’izu ghọrọ ụbọchị òfùfè nke anabatara mgbe Jisọs bilisịrị n’ọnwụ, ezi NdịKraist niile naéfé òfùfè n’ụbọchị a site mgbe rue taa. Ọ bụ Ụbọchị nke Jisọs si n’ọnwụ bilie; ọ bụ ụbọchị O gosịrị onwe Ya nye ndịnáesoụzọ Ya; ọ bụ ụbọchị enyere Mmụọ Nsọ mgbe atọrọ ntọala ezi Nzukọ Kraist; ọ bụ ụbọchị ndịnáesoụzọ Ya naezukọ ịnyawa achịcha na ncheta Nrianyasị nke Onyenwe anyị weta kwa onyinye ha.

Ọ bụ Ụbọchị Onyenwe anyị, anyị gaasọpụrụ kwa ya wee do ya nsọ. Ọlụ niile nke náadịghị mkpà, dịka ịzụ na ire ahịa n’Ụbọchị Ụkọ bụ ileda ụbọchị Ya anya. Ijégharị ebe anaeme onweonye obiụtọ, igwummiri maọbụ ijé námkpagharị nke ịnara ikuku n’Ụbọchịụkọ bụ ime “ihe nātọ gi utọ.” Agwara anyị ọ bụrụ na anyị arapụ ime ihe naatọ anyị ụtọ n’ụbọchị nsọ nke a wee sọpụrụ Chineke, Ọ gaenwe obiụtọ nime ndụ anyị. O kwere mkwà na Ọ gaeme ka anyị “nọkwasi ebe nile di elu nke uwa” -- dịka onyemmeri dị ike nke naagba n’elu ụgbọala ukwu gabiga ugwu niile, nke naeri ihe kachasị mma niile nke ndụ a. Ọ bụ ezie na ihe ụfọdụ dị nke OnyeKraist pụrụ iji mee ihe, o nwere afọojuju na ọñụ n’ihi na o nwere Jisọs; ọ naenyezu kwa ya karịa ihe niile dị ya mkpà kwa ụbọchị. Ọ naachọ ịtụkọba “akù” ya niile n’Eluigwe.

**Ngọzi Náenweghị ọgwụgwụ**

Otù okenye nime Ozọma náekwu ọtụtụ mgbe nime ịgbààmà ya sị na mgbe Chineke zọpụtara ya o nwere ọñụ karịrị nke o nwere mgbe ọ bụla ná ndụ ya: o jere njèm karịa, yie uwe dị mma karịa, rie nri dị ụtọ karịa, nwee afọojuju ná ndụ ya karịa mgbe ọ náenwebeghị nzọpụta. N’ezie ihe kachasị mma nándụ dịrị nwoke, nwanyị, okoro maọbụ agbọghọ ahụ gaeji obi ya niile fèè Onyenwe anyị òfùfè. Ma nke karịrị ndị a mma bụ ụgwọọlụ ukwu náechere ya n’Eluigwwe.

Ị̀ chọrọ inwe akù̀? Chọọ akù̀ nke imemmụọ. “Burunu uzọ chọ ala-eze-Ya, na ezi omume Ya; agātukwasi-kwa-ra unu ihe ndia nile” (Matiu 6:33).

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Ònye ka Aisaia naagwa okwu?

2 Ugbò òle ka ha kpereekpere?

3 Gịnị ka ha mere iji mee ka Chineke nụrụ olu ha?

4 Ì chere na ha ji ezi obi ha mee ya?

5 Gịnị bụ mkwà dị icheiche ekwere ndị gaasọpụrụ Onyenwe anyị dịka edere ya nime isiokwu a?

6 Ị̀ pụrụ iji okwu ọ̀kà kọwaa onye ahụ náerubere Onyenwe anyị isi?

7 Gịnị ka Aisaia ji tụnyere onye ahụ? Gịnị ka onye dere Abù Ọma kwuru banyere onye ahụ?

8 Òle ụbọchị bụ Ụbọchị Onyenwe anyị?

9 Gịnị bụ mkwà ekwere ndị gaedo ya nsọ? (Aisaia 58:14).

10 Kwue ihe iri kpatara OnyeKraist ji nwee ọñụ karịa onye mmehie.